Atụmatụ iwu Asụsụ keAgụmakwụkwọ na Naịjirịa: Nnsogbu na Mmetụta ya n' Ọmụmụ Asụsụ Igbo n' ỤlọakwỤkwụọ Junịọ Sekọndịrị.

Si n'aka
Ifeoma M. Nweze (Ph.D)
Department of Linguistics and Nigerian Languages,Alex Ekwueme Federal University, Ndufu-Alike Ikwo,Ebonyi State, Nigeria.
Ifeoma.nweze@gmail.com +2348030965053 Ifeoma.nweze@funai.edu.ng
&
Joy Ifeadikanwa Obayi (Ph.D)
School of General Studies, Humanities' Unit, University of Nigeria, Nsukka.
Joy.obayi@unn.edu.ng +2348065132008

Ụmịedemede

Nchọcha e mere bụ iji chọpụta nsogbu atụmatụ iwu asụsụ ke agụmakwụkwọ na naijiria nwere na mmetụta ya n' ọmụmụ asụsụ Igbo n' ụlọakwụkwọ junịọ sekọndịrị n' Steeti Enugu. Ajụjụ nchọcha abụọ ka e ji mee nchọcha a. Usoro nkọwa sọvee ka a gbasoro wee mee nchọcha a. Ndị e ji mee nchọcha bụ ndị nkuzi na- akụzi asụsụ Igbo n' ụlọakwụkwọ sekọndịrị niile gọvmenti nwee na Steeti Enugu. Usoro nhọrọ ebunobi ka a gbasoro wee họpụta ndị isi nukuzi asụsụ Igbo dị iri ise na atọ e ji wee mee nchọcha. Ngwa nchọcha bụ njụmaza, nke ihe e depụtara nay a dị iri na asatọ. Maka inyocha ngwa nchọcha, ndị nkuzi abụọ na ngalaba amụmamụ Igbo na otu onye nkụzi na-akụzi na ngalaba measurement na evaluation lebara anya na ya, bụ ndị si na ngalaba mahadum nke Naịjirịa Nsukka. Onye nchọcha lelere ịnọgide n'ọnọdụ nke agbanweghị agbanwe site n'iji usoro ntụcha njatule a na-akpọ Cronbach's Alpha na Bekee, ma e nwetara akara 0.81. E jiri ntụcha mini, na ndịpụ n'izugbe wee nweta ọsịsa nchọcha. Nchọcha e mere gosiri na nsogbu na- egbochi mmejupụta atụmatụ iwu asụsụ gbasara agụmakwụkwọ n'ala Naijiria gụnyere agwa ndị nkụzi na ndị Naijiria niile, obodo inwe ọtụtụ asụsụ na olundi di iche iche, enweghị ezi nhazi na mmepụta na- esite n'aka ndị na- ahazi agụmakwụkwọ na ndị ọzọ. Nchọpụta ọzọ gosiri na etu nsogbu emejupụtaghị atụmatụ iwu asụsụ gbasara agụmakwụkwọ n'ala Naijiria si emetụta ọmụmụ asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ jụnịọ sekọndịrị gụnyere na ọ na- eme ka ọmụmụ asụsụ Igbo bụrụ ihe a na- eledazi anya, ahụta dịka ihe enweghị uru ọ bara, anaghị enweta nkwado na ngwa nkuzi asụsụ

Igbo, iji asụsụ epum dee akwụkwọ ọgụgụ Igbo na ihe ndị ọzọ. Onye nchọcha tụtara alo mkpa ọ dị ndị gọvmenti ịhụ na e wepụtara mkpụrụ edemede maọbụ ọtọgrọfị Igbo na- agakọ ọnụ maka nkwalite asụsụ na omenala n'ụlọakwụkwọ sekọndịrị, iwepu nsogbu na- esite n'olundi tinyere inye ịkwado na ngwa nkuzi na ọmụmụ asụsụ Igbo na ndị ọzọ.

Ọkpụrụkpụ okwu: Atụmaatụ iwu asụsụ agụmakwụkwọ, asụsụ Igbo, ọmụmụ asụsụ Igbo, asụsụ epum, olundi dị iche iche.

Abstract

This study examined the impact of national language policy in the learning of Igbo language in junior secondary school in Enugu state. Two research questions guided the study. A survey research design was used for the purpose of the study. The sample of the study was 53 Igbohead teachers from public secondary schools in Enugu State, selected using purposive sampling technique. A 18-item statements/questionnaire was used to collect data from the respondents. The instrument was validated by two experts in Igbo language and one from Measurement and Evaluation, all from the University of Nigeria, Nsukka. The instrument yielded reliability co-efficient of 0.81 using Cronbach Alpha method. The results were analyzed using mean scores and standard deviation. The result shows that problems that hinder the implementation of language policy in teaching and learning of Igbo language includes poor attitude of teachers and other Nigerians towards Igbo language, dialectal variation, lack of adequate implementation of the language policy initiatives among others. It was also revealed that poor implementation of language policy in teaching and learning of Igbo language has resulted in neglect and look down on Igbo language, inadequate provision of instructional materials, and inconsistent orthography in writing Igbo textbook among others. It was recommended among others that government should provide instructional materials for teaching and learning of Igbo language, institute Igbo language committee to handle dialectal variation, supervise language teachers and provide scholarship to them to further their studies.

Keyword: national language policy, Igbo language, learning of Igbo language, mother tongue, dialect variations.

Mkpọlite

Naịjirịa bụ otu obodo a mara nwere ọtụtụ asụsụ, ụzọ nkwenye dị ọtụtụ, na ụzọ ebimndụ gwakọrọ ọnụ n'ihi akụkọ gbasara ọchịchị mbịara chịa ndị British wetara n'ala Africa. Asụsụ ndị a dị n' ala Naijirịa karịrị narị ise, iri abụọ na ótu, ma tinyere nke mmadụ ole na- asụ;e kewara ha ụzọ abụọ gụnyere nnukwu asụsụ na obere asụsụ (Adesua, 2016). N'ihi mgbasa na ụzọ ebimndu ndịa a dị iche iche mere na asụsụ bụ ezigbo ngwa njirimara pụrụ iche e ji amata mmadụ, agbụrụ tinyere omenala na usoro ọchịchị ha. Ihe ọzọ pụtara ihe butekwara nnukwu nsogbu na Naịjirịa bụ asụsụ ndị ọchịchị mbịara chịa webatara a na- akpọ asụsụ Bekee. Nke a mere na e nwere arụmarụ ụka ruo taa n'ụdị asụsụ e kwesiri ịnabata dịka asụsụ ọha a ga- eji wee na- arụ ọrụ na Naịjirịa dịka o si gbasata ọkwa ọchịchị, omenala, ọkwa akụnụba, azụmahịa, agụmakwụkwọ, iwu, mgbasa ozi na ihe ndị ọzọ. N'obodo Naịjirịa, atụmatụ iwu asụsụ keagụmakwụkwọ bụ ihe bidoro n'afọ 1927 mgbe ndị otu ndụmọdụ ndị ọrụ British kwadoro ka ndị Africa were asụsụ epum na- akụzi ihe n'ụlọakwụkwọ dị nta (Musa, 2010). Atụmatụ iwu asụsụ ke agụmakwụkwọ (2004) bụ ihe gafegoro ogo dị icheiche n'ihi nsogbu asụsụ epum dị iche iche sitere agbụrụ dịkwazi iche cihe e nwere n'ala Naijirịa. ọ dị mkpa ịmata na asụsụ Bekee bụ ihe e ji eme nkuzi na ọmụmụ n'ụlọakwụkwọ tupu ndị atụmatụ iwu asụsụ gbasara agụmakwụkwọ eguzobe iji asụsụ epum wee kuzie ihe n'ụlọakwụkwọ praịmarị ruo n'ogo junịọ sekọndịrị.

Asụsụ dịka o si gbasata ihe nchọcha a bụ asụsụ dịka otu ihe ọmụmụ n'ụlọakwụkwọ na asụsụ dịka ihe e ji akụzi ihe n'ụlọakwụkwọ. Bamgbose (1983) kọwara na asụsụ ruru ụzọ anọ n'ime ụzọ iri n'ala Africa ka a na- asụ naanị n'obodo Naịjirịa, nke mere na asụsụ epum e nwere na Naịjirịa karịrị narị abụọ na iri ise, na- agbanyeghị n'asụsụ atọ kachasị wee pụta ihe bụ nke gụnyere Igbo, Hausa na Yoruba. N'agbanyeghị asụsụ epum ndị a niile, asụsụ Bekee bụ nke sitere n'aka ọchịchị mbịara chịa ndị werela ọnọdụ ama ama n'ala Naijịrịa nke na e ji ya eme ihe niile, bido n'ụlọ ọrụ gọvmentị, okwu azụmahịa, ọnọdụ agụmakwụkwọ na ndị ọzọ. Asụsụ French bụ asụsụ nke abụọ a nabatakwara n'ala Naijirịa, ma nke a bụ maka n andị na- asụsụ French so bụrụ ndị agbata obi Naijirịa. Nke a mere na asụsụ dị iche iche na- asọmpi na kọrịkulum agụmakwụkwọ na Naijirịa. Nke a mere o ji dị oke mkpa iwepụta atụmatụ iwu ga- enyeaka gbazie ojiji asụsụ. N'ihi nke a, nchọcha a chọrọ ileba anya n' ịmata nsogbu atụmatụ iwu asụsụ agụmakwụkwọ na Naijiria nwere na mmetụta ya n'asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ.

Nsogbu Nchọcha

Naịjirịa bụ obodo a mara nke ọma, nwere ọtụtụ agbụrụ na asụsụ epum dịwagara iche iche, mana agbanyegh nke a, asụsụ Bekee bụ ihe nwere ezi ọnọdụ n'aka gọvmentị, nke na e ji ya arụ ọrụ niile dị mkpa n'obodo bido n'ụlọ ọrụ gọvmentị, okwu azụmahịa, ọkwa akụnụba, ekpemikpe, ọnọdụ agụmakwụkwọ na ndị ọzọ. Nke a bụ ọnọdụ asụsụ Bekee nwere site n'aka ndị ọchịchị mbịara chịa, ndị British wetara n'ala Africa. Nke a mere na e ji ya eme nkuzi na ọmụmụ n'ụlọakwụkwọ, tupu ndị atụmatụ iwu asụsụ gbasara agụmakwụkwọ eguzobe iji asụsụ epum wee kuzie ihe n'ụlọakwụkwọ praịmarị ruo n'ogo junịọ sekọndịrị tinyere ime otu n'ime asụsụ atọ kachasị pụta ihe(Igbo, Hausa na Yoruba) na Naijirịa dịka otu ihe ọmụmụ n'ụlọakwụkwọ. Imejupụta ebumnobi ndị atụmatụ iwu asụsụ gbasara agụmakwụkwọ bụ ihe nyere nsogbu n'ihi aka mgba dị iche iche. ọnọdụ asụsụ Bekee nwere n'ala Naịjirịa wedara asụsụ epum niile dị n'obodo Naịjịrịa ala, tụmadị asụsụ Igbo. Nsogbu ọzọ bụ na okwu gbasara agbụrụ dị ire n'obodo Naịjirịa n'ihi enweghị ntụkwasiobi dị n'etiti ha. Nke a mere na ihe gbasara asụsụ bụ ihe dị oke mkpa, n'ihi na ọ bụ ngwa njirimara pụtara ihe e ji ezipụta agbụrụ ọbụla, omenala na ihe niile gbasara ụzọ ebimndụ ha. Ka osila dị, asụsụ Igbo bụ nke adịghị ire na ndụ ndị Igbo, tụmadị ka o si gbasata ịkwalite ya n'ọnọdụ agụmakwụkwọ. Nke a mere onye nchọcha ji chọ ịmata nsogbu atụmatụ iwu asụsụ na Naijiria nwere na mmetụta ya n'ọmụmụ asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ sekọndịrị.

Ajụjụ Nchọcha

Ajụjụ nchọcha a ka a gbadoro ụkwụ wee mee nchọcha:

1. Kedu nsogbu na- egbochi mmejupụta atụmatụ iwu asụsụ gbasara agụmakwụkwọ n'ala Naịjirịa?
2. Kedu etu nsogbu ana- egbochi mmejupụta atụmatụ iwu asụsụ gbasara agụmakwụkwọ n'ala Naijirịa si emetụta ọmụmụ asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ sekọndịrị?

Usoro Nchọcha

Ụdị nchọcha ọmụmụ a bụ usoro sọvee nkọwa. Onye nchọcha hụtara ụdị nchọcha a, dịka ihe dabara n'isiokwu nchọcha ya ebe ọ bụ na nchọcha a nwere mmasị n'ileba anya n'ịmata nsogbu na mmetụta atụmatụ iwu asụsụ agụmakwụkwọ na naijiria nwere n' ọmụmụ asụsụ Igbo na ụlọakwụkwọ junịọ sekọndịrị. Ebe nchọcha gụnyere ụlọakwụkwọ sekọndịrị dị n'okpuru ọchịchị Enugu. Ndị njirime nchọcha

gụnyere ndị isi nkụzi Igbo n'ụlọakwụkwọ nke ọbụla nke ọbụla dị iriise na atọ, ma bụrụ ndị a gbasoro usoro nhọrọ ebumnobi wee họpụta. Ngwa e ji mee nchọcha bụ ajụjụ ọnụ tinyere njụmaza. Onye nchọcha lelere ịnọgide n'ọnọdụ nke agbanweghị agbanwe site n'iji usoro ntụcha data a na-akpọ Cronbach Alpha na Bekee, ma e nwetara akara 0.79. E jiri usoro ntụcha ndịna na miin mee nchọcha a. Ihe e guzobere maka ịnweta ihe nchọcha bụ nke gbadoro ụkwụ n'usoro liketị ma ihe mpụtara ya bụ nke a KKI – kwere kwesie ike, KE – kwere ekwe, JA – jụrụ ajụ, JKK – jụrụ kpam kpam bụ nke e nyere akara 4,3,2,1. Ọsịsa ọbụla e nwetara pekarịrị 2.50 gosiri ekweghị ekwe, ebe ọsịsa nke ruru akara 2.50 maọbụ karịa gosiri ịguzosi ike kwem maọbụ kwere ekwe bụ nke gbadoro ụkwụ otu e si wee hazie ajụjụ nke ọbụla.

Nkọwa atụmatụ iwu asụsụ gbasara agụmakwụkwọ n'ala Naịjirịa na ọmụmụ asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ

Atụmatụ iwu asụsụ ke agụmakwụkwọ bụ ihe e webatara iji hụ na e belatara ọnọdụ asụsụ Bekee nwere ma nye ọtụtụ asụsụ epum e nwere n'ala Naịjirịa ọnọdụ ga- akwalite ha (Fafunwa, 1996). Naịjirịa bụ obodo a mara nwere agbụrụ na ọtụtụ asụsụ epum bụ nke ha ji ebindụ ha tupu ọbịbịa ndị ọcha n'ala Africa. Edoga (2016) kọwara na tupu nkọwa atụmatụ iwu asụsụ gbasara agụmakwụkwọ ga- adị ire, na ọ bụ ihe dị mkpa iburu ụzọ rụtụ aka etu Naịjirịa si nwee mmekọrịta n'asụsụ. Edoga gara n'ihu kewaa nke a agba anọ gụnyere:

- Agba nke mbụ - ọnọdụ asụsụ na Naịjirịa tupu ọbịbịa ndị ọcha
- Agba nke abụọ - ọnọdụ asụsụ na Naịjirịa, oge ndị mgbasa ozioma British na ndị azụmahịa batara mpaghara steeti Lagos na Calabar
- Agba nke atọ - ọnọdụ asụsụ na Naịjirịa, oge e guzobere ọchịchị mbịara chịa, ndị British na Europe wetara n'ala Africa.
- Agba nke anọ – ọnọdụ asụsụ na Naịjirịa, ka e wetara ọchịchị mbịara chịa n'isi njedebe.

Ọnọdụ asụsụ na Naịjirịa tupu ọbịbịa ndị ọcha

Tupu ndị Naịjirịa na ndị Europe na ọchịchị mbịara chịa ebido inwe mmekọrịta, Uzọndụ(2017) kọwara na ndị Naịjirịa bụ ndị a mara nwere ọtụtụ agbụrụ nke akụkọ ala ha, asụsụ, omenala ha nwere etu o si nwee njikọ ma bụkwara nke na-apụta ihe n'usoro ọchịchị, ekpemekpe na agụmakwụkwọ ọdịnala ha. Uzondụ gara

n'ihu kọwaa na mpaghara ugwu bụ ndi Hausa, Fulani, Igala, Idoma, Nkele (Benue),Kanuri, Eggon, Mada, Tiv, Nupe na ndị ọzọ bijupụtara ya. Na mpaghara Ndida bụ ndị Igbo, Yoruba, Edo, Ogoli, Ijaw, na ndị ọzọ jupụtara na ya. Na mpaghara ọwụwa Anyanwụ bụ ndị Efik, Ibibio na ndị ọzọ. Na mpaghara ọdịda Anyanwụ bụ ndị Idu, Isoko, urhobo na ndị ọzọ. Na nkọwa Uzondu, agbụrụ niile ndị a bụ ndị na- enwe mmekọrịta n'ụzọ dị iche iche dịka n'ụzọ akụnụba(azụmahịa),na ndị mịlịtịrị. Nke a na- egosi na tupu ọbịbịa ndị ọcha, na o nweghị agbụrụ anwụchiri anwụchi , n'ihi na agbụrụ ndị a dị iche iche n'ala Naịjirịa na – enwe mmekọrịta n'ụzọ dị iche iche. ọ bụ site na njekọrịta na mmekọrịta ndị a dị iche iche, ka e si wee bido inwe mgbanwe na asụsụ na omenala, bụ nke pụtara ihe site n'okwu mbite dịka ashawo na agidi nke nd Igbo bitere na Yoruba.

Ọnọdụ asụsụ na Naịjirịa, oge ndị mgbasa ozioma British na oge azụmahịa

Oge ọzọ ndị Naijirịa nwere mmekọrịta n'asụsụ bụ oge ndị mgbasa ozioma British na oge azụmahịa batara mpaghara steeti Lagos na Calabar (Enuma, 2018). Ndị ozioma bụ ndị rụrụ ọrụ n'ebe mgbasa ozioma na ekpemekpe ndị ọcha dị, ebe ndị na azụmahịa bụ ndị malitere ahịa ịgba ohu n'ala Africa. Na nkọwa Enuma, mgbe e mebiri ahịa ịgba oru n'afọ 1807, ndị oru sitere n'ala Naijirịa, bụ ndị gụgoro akwụkwọ, jiri asụsụ Bekee dịka oke ngwa wee laghachiri azụ n'ala Naijirịa. Asụsụ Bekee a, ka ha jiri wee rụba ọrụ ntapị maọbụ ọrụ nkọwa tinyere ọrụ ndị ode akwụkwọ nye ndị ọcha nọ ala Naijirịa. Enuma ruturu aka na ọ bụ asụsụ Bekee a, ka Ajayi Crowder bụ otu onye n'ime ya ji wee tụgharịa akwụkwọ nsọ n'asụsụ Yoruba. Nke a mere na e nwere ike ikwu na asụsụ Bekee abatala n'ala Naijirịa tupu ndị ọchịchị mbịara chịa.

Ọnọdụ asụsụ na Naịjirịa, oge e guzobere ọchịchị mbịara chịa

Agba nke atọ bụ oge e guzobere ọchịchị mbịara chịa, ndị British na Europe wetara n'ala Africa. Oge a ka e were asụsụ Bekee kwara ngwa ọrụ ọchịchị niile nakwa ụzọ ebimndụ ndị Africa niile. Ka ndị ọcha bidoro ịgbasawanye ozioma, ịgbasa ozi gbasara agụmakwụkwọ na ịrụ ụlọakwụkwọ, ọ bụ asụsụ Bekee ka e ji eme ihe ndịa, ma nke a mere na ahụtara asụsụ Bekee dịka asụsụ ndị gụrụ akwụkwọ (Iwu, 2018). Iwu gara n'ihu kọwaa na ndị ọchịchị mbịara chịa gbara mbọ ịhụ na ọ bụ asụsụ Bekee ka e ji akụzi ihe n'ụlọakwụkwọ ma bụkwara otu n'ime ihe ọmụmụ n'ogo agụmakwụkwọ niile na Naijirịa, ma nke a bụ iji hụ n andị niile ha na- achị gbasoro

omenala na ụzọ ebimndụ nke ha. Ka osila dị, ọtụtụ ndị mgbago ugwu dịka ndị Hausa na Fulani anabataghị atụmatụ ndị ọchịchị mbịara chịa dịka o si gbasata ịsụ asụsụ Bekee tinyere ekpemekpe ha. N'aka nke ọzọ, ndị Igbo nabata atụmatụ ndịa niile, nke na ha na- edugaa ụmụ ha ụlọakwụkwọ ịmụ asụsụ Bekee, ma na emekwa ụmụ ha mmiri chukwu ebe a na- enye ha aha Bekee. Nke a nyere asụsụ Bekee ọnọdụ dị elu, nke na ọbụghị naanị na e ji ya ezipụta usoro ọchịchị na ekpemekpe, kama ọ bụzị asụsụ ndị gbagotere n'ogo.ọkwa dị elu, ndị ama ama n'obodo, ndị mara ihe nakwa ndị gụrụ akwụkwọ. Akpamoke a ka dị ruo taa, n'ihi na ekpemekpe na asụsụ ndị Hausa ka ha ka ji nyiri isi ebe ndị chefuru ihe gbasara ha ma were ekpemekpe na asụsụ Bekee nyiri isi. N'agbanyeghị ọnọdụ ndị a niile, ndị ọchịchị mbịara chịa gara n'ihu jikọta ndị mpaghara mgbago uwgu na ndị ọwụwa Anyanwụ ka ọchịchị wee dịrị ha mfe, na- agbanyeghị ndịiche dị n'asụsụ, omenala na ekpemekpe ha.

Ọnọdụ asụsụ na Naịjirịa, ka e wetara ọchịchị mbịara chịa n'isi njedebe

Ọnọdụ asụsụ n'ala Naijirịa ka ọchịchị mbịara chịa bịara n'isi njedebe bụ ihe mgbagwojuanya na- adịghị mfe ịkọwa. Asụsụ dị n'ala Naijirịa ka e kewara ụzọ atọ gụnyere asụsụ kachasị dị elu (Asụsụ Bekee, French na Arabic), asụsụ epum, na Pidgin. Asụsụ kacha wee pụta ihe n'ala Naijirịa bụ asụsụ Bekee, nke na ọ bụghịzị na ọ bụ asụsụ e ji arụ ọrụ gọvmentị niile dịka o si gbasata ọkwa ọchichi, agụmakwụkwọ na ihe ndị ọzọ, kama na ọ bụzi asụsụ izizi e ji azụlite nwata, tụmadị n'ala Igbo. Asụsụ ọzọ nwekwara ọnọdụ n'ala Igbo bụzi asụsụ French, ma nke a ka a na- amụ bido n'ogo ụlọakwụkwọ sekọndịrị ruo n'ogo dị elu, ma nke a bụ maka n andị na- asụ asụsụ French na ala Naijirịa nwere agbataobi. Asụsụ ọzọ pụtara ihe bụ Arabic, ma nke a bụ asụsụ ndị Hausa bụ nke ka dị ire ha ji ezipụta ọkwa ọchịchị na ekpemekpe. Asụsụ ọzọ bụ Pidgin bụ nke e were dịka asụsụ ọhọnaeze na - anụ mana asụkwa. Asụsụ epum dị n'ala Naijirịa bụ nke karịrị narị ise, iri abụọ na out, bụ nke agbadoro ụkwụ na mmadụ ole na- asụ ya wee kewwa ya dịka asụsụ dị nnukwu na sụsụ obere.

N'ime asụsụ ndị a niile jupụtara na Naijirịa, ka e ji chọọ otu a ga- esi hazie asụsụ e ji eme nkuzi na ọmụmụ n'ụlọakwụkwọ. ọnọdụ a ka e ji wee wepụta atụmatụ iwu asụsụ gbasara agụmakwụkwọ. Iwepụta atụmatụ iwu asụsụ ka Ezeilo (2016) kọwara ka gọvmentị maọbụ ndị na- achị ọchịchị igbakọta ọnụ wee lebanya anya n'asụsụ etu ọ ga- esi bara ha n'uru. Uwakwe(2017) kọwara na iwepụta atụmatụ

iwu asụsụ pụtara ịkpacha anya wepụta oge lebaa anya n'asụsụ iji gbanwee ọnọdụ asụsụ ahụ. Mgbanwe a bụ iji hụ na asụsụ ahụ nwetara ogo maọbụ ọkwa ọhụrụ dị elu na ọrụ ọhụrụ. Na mbido, Uba(2016) kọwara na e wepụtara atụmatụ atọ, maka ileba anya n'iwu asụsụ a, bụ nke gụnyere; ndi otu nashịọnalistị, ndị otu ịntanashịọnalistị na ndị otu nutralịstị. Ndi otu nashịọnalistị bụ ndị kwenyere ka e si n'asụsụ epum e nwere na Naịjirịa wepụta otu asụsụ ga- abụ asụsụ Naịjirịa niile maka ịkwalite asụsụ ọdịnala na omenala. Ihe ọzọ bụ na ha nwere nkwenye na ebe e nwere ọtụtụ asụsụ epum, na e nwere ike inye asụsụ ọbụla ọrụ bụ nke na- agbado ụkwụ n'ogo anọ gụnyere; asụsụ obodo, asụsụ mpaghara obodo, asụsụ nke steeti na asụsụ nke ọkpuru ọchịchị (Iwu, 2018). Ka osila dị, anabataghị atụmatụ a, n'ihi na ọ ga – enyeaka ịkwalite naanị ndị agbụrụ nwe asụsụ ahụ e wepụtara dịka asụsụ obodo niile, ma nke a ga- eweta ọgba aghara maọbụ agha ọzọ na Naịjirịa. Ndị otu ịntanashịọnalistị bụ ndị kwenyere na ebe ọ bụ na Naịjirịa bụ obodo nwere ọtụtụ asụsụ sitere n'ọtụtụ agbụrụ, na ọ bụ ihe dị mma ijiri asụsụ Bekee wee mere asụsụ nwere ọnọdụ na Naịjirịa karịa ịhụta ya ka ngwa ndị ọchịchị mbịara chịa. Nke a, ka ha kwenyere na ọ ga- enyeaka ijikọta obodo Naịjirịa niile ọnụ n'ihi na o nweela ọnọdụ n'ọkwa ọchịchị, ọnọdụ azụmahịa, ọnọdụ agụmakwụkwọ, agụmagụ, iwu, akụkọ gbasara Naịjirịa na ndị ọzọ. Ka osila dị, atụmatụ a riri mperi, n'ihi na ọ ga- enyeka ikpochapụ asụsụ epum kpamkpam, tinyere na o meela na asụsụ epum enweghị ọrụ nwere isi ọ na- arụ na ndụ ndị Naịjirịa tụmadị n'ala Igbo. ọzọ bụ na ihi na asụsụ na omenala enweghị nkewa, ọnọdụ asụsụ Bekee emeela ndị Naịjirịa tụmadị ndị Igbo mmadụ asụsụ abụọ na omenala abụọ (bilingual na bicultural). Nke a na- egosi na ndị Naịjirịa ka a na- ahụta ka ndị si obodo abụọ, nke na onweghị omenala maọbụ asụsụ nke ha kwụdosirike na ya. Ihe ọzọ bụ na asụsụ Bekee anaghị enyere ha aka imeta nke ọma n'ụlọakwụkwọ, ma nke a ka Oji(2017) kwadoro site n'ịkọwa na mmụta ka adị ire n'asụsụ epum mmadụ. Ndị otu nutralịstị bụ ndị na- ekwenyeghị n'iji asụsụ Bekee maọbụ asụsụ epum, kama ha kwenyere na iji asụsụ Pidgin. Nke a bụ maka na ha kwenyere na onweghị obodo maọbụ agbụrụ nwee asụsụ Pidgin. ọzọ bụ na ọ bụ asụsụ ọhaneze ji emekọrịta mana aghọtakwa ya (ma ịgụrụ akwụkwọ maọbụ na ịgụghị, ma ịbụ ọgaranya maọbụ ogbenye, ma ịbụ onye ukwu maọbụ onye nta) n'ebe niile nakwa n'ọnọdụ niile, ma nke a mere na o nwere ikike ijikọta obodo niile ọnụ. Ka osila dị, atụmatụ a riri mperi, n'ihi na a hụtara asụsụ Pidgin ka asụsụ agwaọgwa na- enweghị ugwu ma bụrụkwa asụsụ ndị na- agụghị akwụkwọ ji emekọrịta mana ọdụ ụgbọala, ụlọ oriri na ọnụnụ, ebe a na- egwu egwu. N'ihi na e kwenyere na ọ bụ

asụsụ na- eme ihere, anabataghị ya n'ọnọdụ ọchịchị, agụmakwụkwọ tinyere ebe ndị ọzọ.

Nke a mere na e wupụtara atụmatụ iwu asụsụ gbasara agụmakwụkwọ na Naịjirịa n'afọ 2004. Atụmatụ iwu asụsụ gbasara agụmakwụkwọ bụ iji hụ na e nwetara ezigbo usoro na ntụziaka etu ndị na- elekọta agụmakwụkwọ ga- esi wee hazie asụsụ e ji eme nkuzi na ọmụmụ ka ọ bara onye ọbụla uru. Atụmatụ iwu asụsụ gbasara agụmakwụkwọ na Naịjirịa nke 2004 nwere ebumnobi ise gụnyere:

- ịhụ na mmadụ niile nwere ikikere isonye n'ọkwa ọchịchị
- ịhụ na mmadụ niile ha n'ụzọ ebimndụ niile dịka n'ọkwa ọchịchị, ọkwa akụnụba na ndị ọzọ.
- ịhụ na e nwere ịdị n'otu mmadụ niile maka ịkwalite obodo Naịjirịa.
- ịhụ na akụnụba e nwere bụ nke ga- ezuru onye ọbụla
- ịhụ na nwa amala ọbụla nwere ohere isonye n'ihe niile.

Atụmatụ iwu asụsụ ke agụmakwụkwọ na Naịjirịa(2004) bụ nke kọwara na asụsụ bụ ngwa dị mkpa n'ịkwalite mmekọrịta, ịdị n'otu na nchekwaba omenala. Atụmatụ a kọwapụtara iwu jikotara asụsụ e ji akụzi n'ụlọakwụkwọ nakwa ịmụ asụsụ dịka out ihe ọmụmụ n'ụlọakwụkwọ, ma nke a gụnyere nke a:

- Na nwata ga- amụ asụsụ ọbụla dị na gburugburu ebe a mụrụ ya, tinyere na asụsụ ahụ ka a ga- eji wee kụzie ya ihe n'ụlọakwụkwọ bido n'ụlọakwụkwọ ọtaakara ruo n'ogo praịmarị nke nta.
- Na nwata ọbụla ga- amụ asụsụ n'ime asụsụ atọ kachasị wee pụta ihe n'ala Naịjirịa gụnyere asụsụ Igbo, Hausa na Yoruba. Ka osila dị, atụmatụ a kọwara na ọ bụrụ na asụsụ a dị iche n'asụsụ gburugburu a mụnyere nwata ahụ, ịmara na ọ gaị amụ ya nke ọma iji gbalarịa ngwakọta asụsụ.
- Na ndị gọvmentị ga- agba mbọ wepụta ọtọgrafị/ mkpụrụ ABIDI edemede n'asụsụ epum ọbụla e nwere n'ala Naịjirịa etu e si mee n'asụsụ Igbo, Hausa na Yoruba.
- Na site n'ogo praịmarị nke anọ wee gaba, a ga- eji asụsụ Bekee kụzibe ihe n'ụlọakwụkwọ wee ruo n'ogo junịọ sekọndịrị, nke na ọ bụghịzị ịmụ ya naanị dịka otu ihe ọmụmụ n'ụlọakwụkwọ.
- Na a ga- eme ka ọ bụrụ iwu na nwata akwụkwọ ọbụla ga- amụ asụsụ French dịka asụsụ nke abụọ a nabatara n'ala Naịjirịa n'ogo praịmarị na jụnịọ sekọndịrị maka inwe ezi mmekọrịta n'etiti ndị agbataobi, ma mee ya

ka ọ bụrụ ihe ọmụmụ onye ọ masịrị ga- ahọrọ n'ogo ụlọakwụkwọ sịnịọ sekọndịrị.

Site n'atụmatụ iwu asụsụ ndị a niile e guzobere, ọ dị mkpa ịmata na- agbanyeghị na e nyere asụsụ Bekee ohere iji ya kụzie ihe n'ụlọakwụkwọ bido n'ogo sịnịọ praịmarị wee n'ogo mahadum, na e nyekwara asụsụ epum ezi ọnọdụ ga- enyere mmadụ aka itinye uchu wee kwalite ya, ma tinye ya n'ọrụ maka ịkwalite ebimndụ na ọdị mma ndị Naijirịa. Ka osila dị, atụmatụ iwu asụsụ gbasara agụmakwụkwọ na Naijirịa nwere aka mgba dị iche iche chere ya n'ihu.

1. Agwa ndị nkụzi na ndị Naijirịa niile: N'ebe a, ndị Naijirịa ka anabata ihe niile sitere mba ofesi karịa nke si ala Naijirịa, ma nke a mere n andị nne na nna na- esite n'ụlọ were asụsụ Bekee wee zụlite nwata dịka asụsụ izizi ya. Nke a pụtara ihe site na ndị nkuzi iji asụsụ Bekee wee kụzibere ụmụka ihe, bido n'ụlọakwụkwọ ọtaakara wee gbagobe tụmadị n'ụlọakwụkwọ bụ otu oonye nwee. Nke a bụ maka na e nwere nkwenye na nwata na- asụ asụsụ Bekee bụ onye mara akwụkwọ nke ọma.
2. Nhazi obodo nwere ọtụtụ asụsụ dịka ndị Naịjirịa: Onye na- ahazi agụmakwụkwọ ka ọ dịrị ibu ụzọ lebaa anya n'ihe bụ mkpa ndị obodo, usoro ọchịchị, mmekọrịta, omenala,ọkwa akụnụba ha, gburugburu ha na ihe ndị ọzọ, maka inweta ezigbo mbunuche agụmakwụkwọ na mpaghara ahụ.
3. Enweghị ezi nhazi na mmepụta na- esite n'aka ndị na- ahazi agụmakwụkwọ: Adimire atụmatụ iwu asụsụ nke agụmakwụkwọ gbadoro ụkwụ na onye na- ahazi agụmakwụkwọ ịma ọrụ ya nke ọma. Onye na-ahazi agụmakwụkwọ ka ọ dịrị ịlebaa anya n'ihe bụ mkpa ndị nkuzi na ụmụakwụkwọ n'ụlọakwụkwọ, tụmadị ihe gbasara akwụkwọ ọgụgụ na ọba akwụkwọ.
4. Enweghị ezi nkwado: Ndị gọvmentị kwesiri iwepụta ezigbo ego mka ịkwalite ọnọdụ agụmakwụkwọ. Nke a ga- enyere ha aka inweta ngwa nkuzi dị mkpa n'ụlọakwụkwọ, tụmadị, imejupa atụmatụ nke ndị NPE bụ ndị kọwara mkpa ọ dị, ndị gọvmentị ibipụta akwụkwọ ọgụgụ dị iche iche e jiri asụsụ epum dịkwazi iche iche na Naijirịa wee dee.
5. Enweghị ezigbo ndị nkuzi tozuru etozu: N'ebe a, ọ bụ ihe dị nwute ịmata n andị nkuzi na- akụziri ụmụakwụkwọ enweghị ezi ntọala n'asụsụ epum, nke na ha onwe ha bụ ndị asụsụ abụọ tinyere omenala abụọ.

6. Oge eji akụzi asụsụ epum: N'ụlọakwụkwọ niile, ọ bụrụla ihe were anya na ihe ọmụmụ asụsụ Bekee ka enyere ezigbo ọnọdụ n'oge agụmakwụkwọ n'ụlọakwụkwọ karịa asụsụ epum. Nke a bụ maka na a na- eme ihe ọmụmụ asụsụ Bekee ihe ruru ugboro atọ maọbụ karịa n'otu izuuka, ebe ọmụmụ asụsụ epum bụ naanị otu oge ka ana- eme ya n'izuuka.

Edemede ndị Odee ndị ọzọ derela gbasara nsogbu na mmetụta sitere n'atụmatụ iwu agụmakwụkwọ keNaịjirịa.

Ọtụtụ ndị odee e meela nchọcha gbasara isiokwu a. Ezeafulukwe (2016) kwuru na, asụsụ ndị mbịara mbịara – French na Bekee na-akpagbu ịdị ire atụmatụ iwu iji asụsụ epum kuzie ihe na naijirịa. Mu'azu (2014) na Austine (2017) mere nchọcha banyere adighị ire nke iwu atụmatụ agụmakwụkwọ keNaịjirịa butere. N'uche ha, ha mere ka aghọta na ọ na-eme ka ụmụakwụkwọ ghara ịghọta ọtụtụ ihe ma ọbụ gafee n'ule maka asụsụ mbịra mbịara e ji akuzi ihe ọkachasị amụmamụ gbasara teknụzụ na nke sayensi. Olusesan (2019) e lebaala anya n'ịchọpụta ma ndị nkuzi a na-etinye iwu iji asụsụ epum kuzie ihe n'ọrụ. O jiri ụlọ akwụkwọ sekọndrị dị n'okpuru ọchịchị Surulere L.G.A, Lagos wee mee nchọcha ya. Ọ kọwara na anaghị etinye iwu a n'ọrụ nke mere ka mmụta nakwa iwulite aka ọrụ dị iche iche rie oke mperi. Ọ gara niihu inye ndụmọdụ ka gọvmenti etiti họpụta kọmitii nke ọrụ ha bụ ịgagharị n'ụlọ akwụkwọ ịhụ na amụmama dị n'ebe niile. Anyị ga-elebazị anya n'ịkọwa njatule ndị anyị nwetere site n'usoro nchọcha.

Nchọpụta

Ihe e nwetara site na nchọcha ka e zipụtara na tebul abụọ dịka o si gbasata ajụjụ nchọcha nke ọbụla.

i. **Ajụjụ nchọcha 1** Kedu nsogbu na- egbochi mmejupụta atụmatụ iwu asụsụ gbasara agụmakwụkwọ n'ala Naijirịa?

Tebul 1: Miin echiche ndị nkuzi asụsụ Igbo na nsogbu na- egbochi mmejupụta atụmatụ iwu asụsụ gbasara agụmakwụkwọ n'ala Naijirịa.

Ọnụọgụ	Ihe e depụtara maka nchọcha	Miin	Ndịpụ n'izugbe	Mkpebi
1	Agwa ndị nkụzi na ndị Naijirịa niile.	3.00	.70	Kwere ekwe

2	Obodo nwere ọtụtụ asụsụ dịka ndị Naịjirịa	2.61	.51	Kwere ekwe
3	Enweghị ezi nhazi na mmepụta na- esite n'aka ndị na- ahazi agụmakwụkwọ	2.82	.62	Kwere ekwe
4	Enweghị ezi nkwado dịka ngwa nkuzi	2.50	.50	Kwere ekwe
5	Enweghị ezigbo ndị nkuzi tozuru etozu	2.71	.63	Kwere ekwe
6	Oge eji akụzi asụsụ epum	3.02	.71	Kwere ekwe
7	Enwetaghị nkwado n'aka ndị nne na nna.	2.78	.67	Kwere ekwe
8	Inwe ọtụtụ echiche gbasara atụmatụ a	2.69	.59	Kwere ekwe

Mkpoko miin = 2.66

Tebul nke mbụ a, gosipụtara echiche ndị nkuzi na Ihe e depụtara maka ajụjụ nchọcha nke a dị isii nke bidoro 1 – 8. Akara miin e nwetara n'ajụjụ nke ọbụla karịrị kraiteriọn miin bụ 2.50, ma nke a gosiri na ihe ndị a niile bụ nsogbu na- egbochi mmejupụta atụmatụ iwu asụsụ gbasara agụmakwụkwọ n'ala Naịjirịa.

Ajụjụ nchọcha 2

ii. Kedu etu nsogbu a na- egbochi mmejupụta atụmatụ iwu asụsụ gbasara agụmakwụkwọ n'ala Naịjirịa si emetụta ọmụmụ asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ jụnịọ sekọndịrị?

Tebul 2: Miin echiche ndị nkuzi n' otu nsogbuna- egbochi mmejupụta atụmatụ iwu asụsụ gbasara agụmakwụkwọ n'ala Naịjirịa si emetụta ọmụmụ asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ jụnịọ sekọndịrị.

Ọnụọgụ	**Ihe e depụtara maka nchọcha**	**Miin**	**Ndịpụ n'izugbe**	**Mkpebi**
9	Ọmụmụ asụsụ Igbo bụ ihe a na- eledazi anya.	3.01	.72	Kwere ekwe
10	A na- ahụta ọmụmụ asụsụ Igbo dịka ihe enweghị uru ọ bara.	2.56	.51	Kwere ekwe

11	Ana- ahụta onye na- eme ihe ọmụmụ asụsụ Igbo ka onye na- amaghị akwụkwọ.	2.90	.63	Kwere ekwe
12	Anaghị enweta nkwado ihe ọmụmụ dịka ngwa nkuzi asụsụ Igbo, tụmadị akwụkwọ ọgụgụ.	2.50	.48	Kwere ekwe
13	Ahụtaghị asụsụ Igbo ka ihe a ga- enye nukwu oge maka ọmụmụ ya n'ụlọakwụkwọ.	2.54	.50	Kwere ekwe
14	ọtụtụ ndị nkuzi Igbo etozughị etozu tinyere na ha enweghị mmasị na ya.	3.00	.70	Kwere ekwe
15	Ndị nne na nna ji asụsụ Bekee azụlite ụmụ ha n'ụlọ.	2.93	.71	Kwere ekwe
16	Ndị na- ede akwụkwọ ọgụgụ n'ihe ọmụmụ asụsụ Igbo ji asụsụ Bekee ede ya.	3.00	.70	Kwere ekwe
17	Ndị nkuzi na- enye ụmụakwụkwọ ntaramahụhụ ma ha sụọ asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ.	2.50	.49	Kwere ekwe
18	Ndị na- ahazi ọnọdụ agụmakwụkwọ anaghị elenyere ndị nkuzi asụsụ Igbo na ụmụakwụkwọ anya n'ihe ọmụmụ ha na- eme n'ụlọakwụkwọ.	2.61	.53	Kwere ekwe

Mkpoko miin = 2.81

Tebul nke abụọ a, gosipụtara echiche ndị nkuzi n' otu nsogbuna- egbochi mmejupụta atụmatụ iwu asụsụ gbasara agụmakwụkwọ n'ala Naijiria si emetụta ọmụmụ asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ jụnịọ sekọndịrị. Ihe e depụtara maka ajụjụ nchọcha nke a dị 10. Akara miin e nwetara n'ajụjụ nke ọbụla karịrị kraịtenọn miin bụ 2.50, ma nke a gosiri na ihe ndị a niile bụ otu nsogbuna- egbochi mmejupụta atụmatụ iwu asụsụ gbasara agụmakwụkwọ n'ala Naijiria si emetụta ọmụmụ asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ jụnịọ sekọndịrị.

Mkpokọta Nchọcha na mkparịtaụka

Site na nchọcha e mere, ihe ndị a bụ ọkpụrụkpụ ihe a chọpụtara:

1. Na nsogbu na- egbochi mmejupụta atụmatụ iwu asụsụ gbasara agụmakwụkwọ n'ala

Naịjirịa gụnyere agwa ndị nkụzi na ndị Naijirịa niile, obodo inwe ọtụtụ asụsụ dịka ndị Naijirịa, enweghị ezi nhazi na mmepụta na- esite n'aka ndị na- ahazi agụmakwụkwọ, enweghị ezi nkwado, enweghị ezigbo ndị nkuzi tozuru etozu, oge eji akụzi asụsụ epum na ihe ndị ọzọ. Nke a dabara n'ihe Ezeilo (2016) na Uba (2016) bụ ndị kọwara na agaghị n'ihu nkuzi na ọmụmụ asụsụ epum bụ nke sitere na enweghị ezi nkwekọrịtan a ezi nkwado.

2. Na otu nsogbuna- egbochi mmejupụta atụmatụ iwu asụsụ gbasara agụmakwụkwọ n'ala

Naịjirịa si emetụta ọmụmụ asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ jụnịọ sekọndịrị gụnyere na ọ na- eme ka ọmụmụ asụsụ Igbo bụrụ ihe a na- eledazi anya, a na- ahụta ọmụmụ asụsụ Igbo dịka ihe enweghị uru ọ bara, a na- ahụta onye na-eme ihe ọmụmụ asụsụ Igbo ka onye na- amaghị akwụkwọ, anaghị enweta nkwado na ngwa nkuzi asụsụ Igbo, tụmadị akwụkwọ ọgụgụ, ahụtaghị asụsụ Igbo ka ihe a ga- enye nukwu oge maka ọmụmụ ya n'ụlọakwụkwọ, ọtụtụ ndị nkuzi Igbo etozughị etozu tinyere na ha enweghị mmasị na ya, ndị nne na nna ji asụsụ Bekee azụlite ụmụ ha n'ụlọ, ndị na- ede akwụkwọ ọgụgụ n'ihe ọmụmụ Igbo ji asụsụ Bekee ede ya, na ndị ọzọ. Nke a dabara n'ihe Onuoha (2016), Uwakwe (2017) na Iwu (2018) bụ ndị kọwara na asụsụ Igbo bụ otu asụsụ epum pụtara ihe n'ala Naijirịa bụ nke soro ọchịchị mbịara chịa na nwebata asụsụ Bekee wee nwụọ.

Mmechị

Obodo ọbụla nwere ọtụtụ asụsụ epum tinyere asụsụ ọchịchị mbịara chịa (asụsụ Bekee), dịka Naijirịa na- enwe nsogbu n'iwepụta asụsụ ga- abụ asụsụ obodo niile. Nke a mere na ịkwado atụmatụ iwu asụsụ maka agụmakwụkwọ bụ ihe dị nnukwu mkpa n'ebe ịkwalite asụsụ epum na omenala na Naijirịa dị tụmadị asụsụ Igbo. Imejupụta ebumnobi atụmatụ iwu asụsụ maka agụmakwụkwọ a ga- adị ire naanị mgbe ndị na- ahazi ọnọdụ agụmakwụkwọ bidoro ịrụ ọrụ ha n'uju, tinyere na ndị gọvmentị ga- agba mbọ ịkwado nkuzi na ọmụmụ asụsụ epum ndị a niile site n'ịhụ na e nwere ngwa nkuzi kwesiri tụmadị akwụkwọ ọgụgụ e dere n'asụsụ

epum. Nke a ga- eme ka asụsụ epum niile nwee ọrụ pụtara ihe ọ na- arụ n'obodo tụmadị asụsụ Igbo.

Ịtụ alo

N'ihi ihe ndị a chọpụtara n'elu, onye nchọcha tụtara alo ndị a:

1. Ndị gọvmentị ga –agba mbọ hụ na e wepụtara mkpụrụ edemede maọbụ ọtọgrọfị n'asụsụ epum niile dị na Naijiria maka nkwalite asụsụ na omenala.
2. Ndị gọvmentị ga –agba mbọ ịhụ na ha nyere ụlọakwụkwọ ezi nkwado n'ebe ikuzi asụsụ epum dị n'ụlọakwụkwọ, tụmadị ka o si gbasata iwepụta ego na inye ngwa nkuzi, dịka ịhụ na e nwere akwụkwọ ọgụgụ e jiri asụsụ epum dị iche iche wee dee.
3. Ndị na- ahazi agụmakwụkwọ kwesiri ịhụ na ha ga- aga n'ụlọakwụkwọ wee chọpụta mkpa ndị nkuzi na ụmụakwụkwọ nwere n'ebe nkuzi na ọmụmụ asụsụ epum(asụsụ Igbo) dị.
4. Ndị odee akwụkwọ ọgụgụ ga- agba mbọ were asụsụ epum (asụsụ Igbo) depụta ọtụtụ akwụkwọ ọgụgụ maka nkwalite ọmụmụ ya n'ụlọakwụkwọ.
5. Ndị nkuzi ga- enyeaka ịhụ na ụmụakwụkwọ nwere ezi ntọala na mmụta n'ebe asụsụ epum ha dị (asụsụ Igbo).
6. Ndị na- ahụ maka agụmakwụkwọ ga- agba mbọ ịhụ na ihe asụsụ epum ga- esonye n'otu ihe nwata akwụkwọ kwesiri inweta n'ule tupu ọ banye n'ụlọakwụkwọ dị elu.
7. A ga- ahaziri ndị nkuzi ọzụzụ n'otu ha ga- esi hụ na nkuzi na ọmụmụ asụsụ epum(asụsụ Igbo) dị ire n'ụlọakwụkwọ.

Nrụmaka

Adesua, S. (2016). Position of English in Nigeria. J*ournal of Education*, 4(1) 92- 117.

Ajayi, E., Olusesan O & Osikomaiya O. (2019). Nigerian Language Policy and Indigenous Language-use in Lagos Metropolis Secondary Schools. European Journal of Social Sciences – Volume 57, Issue 4 March (2019)485languages

Austine, U.N. 2017. The place of indigenous languages in sustainable national development in the Twenty-First Century: The Nigerian perspective. International Journal of EnglishLanguage and Communication Studies, 2(3), 1-5.

Bambgose, A. (1983). Education in Indigenous Languages: The West African Model of Language Education. The *Journal of Negro Education,* (52),57-64

Edoga, J.(2016). *Language contact in pre colonialera*. Retrieved from www.repository.unn.edu.ng/index

Enuma, S. (2018).*Language and literature in Africa*. Retrieved from www.repository.unn.edu.ng/index

Ezeafulukwe, O & Chinyeaka L. (2016). Nigerian Language Policy: English and French Languages Education. JOLAN- Journal of the Linguistic Association of Nigeria Supplement
2 (Language in History & Society) 2016.

Ezeilo, R. (2016). *Major factor in determining Language policy in education.* Ibadan: Heinemann.

Fafunwa, A.B. (1996). *History of education in Nigeria*. London Heinman Educational Books Ltd.

Federal Republic of Nigeria (2004).*National Policy on Education,* Lagos: NERDC

Iwu, I.O. (2018). Challenges of Multilingual Language Policy in Nigeria. *ELT Journal* 7 (2) 34- 49.

Mu'azu, A. 2014. The indigenous languages and social developments. Nigerian NationalConference Review, Week 6, May 5. [18]

Musa, E,K. (2010). Multilingualism and Language Function, A way forward. *Journal of cultural studies,* 3 (1) 86- 99.

Oji, M.N.(2017). *African trade in pre colonial era*. London: Oxford University Press.

Onuoha, U. (2016). Role of Pidgin in African context. *Journal of cultural studies,* 3 (1) 123- 139.

Uba, T. (2016).*Indegenous Languages in Nigeria*. Ibadan: Group publishers.

Uwakwe, D. (2017). Cultural Imperialism: A way forward in Nigerian. *Journal of cultural studies,* 3 (1) 180- 193.

Uzondu, N. (2017). Official Languages and its role in Nigeria:Challenges and prospects.J*ournal of Education*, 4(1) 47- 56.